2022 ỌCHỊCHỌ MGBASA AKA ỌNỌDỤ AKỤNỤBA NESG

THE NIGERIAN ECONOMIC SUMMIT GROUP

# Maịlụ Ikpeazụ:

## Mmegharị ọdịdị na-elegara anya na mgbago a na-ahụ anya na Mpụtara Ọnọdụ akụnụba ala a



www.nesgroup.org | officialNESG

## 1.0 NDOZI ISIOKWU

Naịjịrịa ji ọsọọsọ enweghachite onwe ha site na ndaghachi azụ ha daghachiri nke sitere n'ọnọdụ oke ọrịa na-efe efe bekee kpọrọ pandemic, mana nsonye dị oke ala tupu ọbịbịa ọria KOVID (COVID-19) na akwụgideghị nke mgbasa aka ọnọdụ akụnụba ka dị etu ọ dị. N'agbanyeghị uto GDP nọ na pasentị 3.2 n'oke atọ mbụ nkewa anọ na 2021, ihe nchọcha e nwetara na ngalaba National Bureau of Statistics (NBS) gosiri nsa ogo ọnụ ahịa ngwaahịa na arụmọrụ dị oke elu; uru dị n'ọnọdụ azụmahịa nọgidere n'ọdịda ma jide mbata ntụnye mba ọzọ n'afọ ahụ. Ndị ụlọ akụ mba ụwa kwuru na mmadụ ruru nde 8 (8 million) dabanyekwuru n'ogbenye n'agbata afọ 2020 na 2021 n'ihi ndaghachi azụ n'ike ngotali ihe. N'agbanyeghị na nnatarachi ndị Naijirịa buru oke ibu, nkewapụta ọrụ na ngalaba dị iche iche na-adaghachi azụ, na-ebute mbawanye ndị enweghị ọrụ.

Ebe e nwere nkwalite doro any ana mpaghara ụfọdụ, dị ka nchịkọba ebe nnwete ego esiteghị na mmanụ n'afọ ole na ole gara aga, otu ihe doro anya: Naijirịa enwelighị ike ịdị na-aga n'ihu n'usoro mmebe atụmatụ na ntinye n'ọrụ. Mbawanye enweghị nchekwa na mpụ nke obodo n'ọtụtụ mpaghara ala anyị bụ ihe ngosi na ụfọdụ mpaghara mmadụ abụrụla ndị a hapụrụla, ọ bụghị naanị iweghara uru ole na ole e nwetara tupu ọrịa KOVID kama ọ ga-anapụ ala a ntụnye a chọsiri ike iji hụ na e nwere òtító na mmepe ga-akwụgide. Ihe ịma aka n'ihu metụtara enweghị nchekwa, mbuli ọnụ ahịa, enweghị ọrụ, na ntụnye dị ala bawanyere mkpa e nwere banyere mmegharị ọdịdị bụ nke ga-eduba ala a n'agamnihu ọnọdụ akụnụba ga-adịgide nakwa nsonye nke obodo gbagotere. Nke a ga-agba mbọ hụ na ahịa dị iche iche na ndi ala a nọ n'isi atụmatụ na emume gọọmentị.

N'ezie, ihe ịma aka n'ihu chere ala a aka mgba enyeghị obi isiike. Ma, afọ 2022 wetara ohere pụrụ iche maka ala Naijirịa iwepụta mmegharị ọdịdị akụnụba obodo ga-akwụgide bụ nke ga-akwalite uto akụnụba obodo ga-adịgide tinyere mmepe nsonye ọha. Nsogbu tegorola aka nke etinyeghị ngalaba ogo ndịda n'iwu, enwechaghị mgbanwe ego mba ọzọ na etinyechaghị uche nke ọma na ngalaba a ma ama bụ ihe a ga-etinyerịrị uche na ya na 2022. Iji maa atụ, etinyeghị n'iwu nke ogo ndịda ngalaba mmepụta mmanụ bụ ihe a chọrọ n'oge oke isiike a mgbe a chọrọ ntụnye aghara aghara iji dozie ọnọdụ ọjọọ ụlọ ọrụ mmepụta mmanụ nọ na ya. Nke a ga-ahụ maka ọnọdụ oke mbubata mmanụ a kwadorola bụ nke na-anapụ ala a mgbanwe ego mba ọzọ bụ nke a chọrọ iji gboo mkpa ọrụ ndị ọzọ dị mkpa. Ebe usoro ụlọ ọrụ na-ahụ maka mmepụta mmanụ a kpọrọ Petroleum Industry Act (PIA) terela a na-atụ anya nnwereonwe site n'iwu, ọ dị mkpa itinye mbọ iji kwalite gburu gburu ahịa na iwu iji weghachite obi isiike ndị ntụnye n'ọnọdụ akụnụba Naijirịa.

Ntinye atụmatụ mmegharị ọdịdị a n'ọrụ n'enweghị mgbagha ga-apụ gọọmentị, ahịa na ndị ala a ihe n'ahụ. Ya mere, ihe dị oke mkpa chere gọọmentị n'ihu bụ ịhụ na e belatara ego a iji nweta ọnọdụ mmeri-mmeri nye stakeholder ọ bụla ma, e mechaa, e buga ala a n'ụkpụrụ mmepe. Obi ụtọ dị ya bụ na gọọmentị etiti ewebatala National Development Plan (2021-2025), nke kwadoro ntinye ebe nlegara anya, ogbe kacha mkpa, na usoro ịmalite ọrụ na'fọ ise na-abịa abịa. N'agbanyeghị nke a, agamnihu na ọdịda atụtụ a ga-adabe nke ukwuu n'ogogo ntinye n'ọrụ na njikwa n'etiti ndị ụlọ ọrụ gọọmentị, ntinye

atụtụ a n'ọrụ nke gọọmentị steeti, na ntinye uchu ụlọ ọrụ nke onwe ime ntunye kwesịrị ekwesị na ngalaba ji igodo ọnọdụ akụnụba a. Nke ka mkpa bụ na a na-ele anya na gọọmentị ga-abụ mbuụzọ n'ikepụta gburu gburu dị mma n'azụmahịa, hụ na e nwere nkwụdosi ike mgbasa ọnọdụ akụnụba nakwa nchịkọba ntụnye na mpaghara dị iche iche gasị.

N'onwunwe naanị ihe karịrị otu afọ n'ọkwa, ndị ọchịchị ugbu a ga-ahụrịrị na ọnọdụ mmegharị ọdịdị bụ nke a chụsiri ike, ọ kachasị mmetụta ịma aka n'ihu ejima bụ ogbenye na enweghị ọrụ n'ọnọdụ enweghị nchekwa na nnyapado nke obodo ala a. iji chekwaba ọdịnihu Naijirịa, gọọmentị ga-amatarịrị mberede ugbu a. Mmegharị ọdịdị ọnọdụ akụnụba na nke obodo ga-eweta ọrụ ma kwalite ndụ ndị Naijirịa ekwesịghị inwe mgbagha na 2022.



## 2.0 AGBA A - ỌNỌDỤ AKỤNỤBA NAỊJIRỊA NA 2022 NA ỌCHỊCHỌ ỌNỌDỤ AKỤNỤBA MAKA 2022

Ngalaba a lebakarịrị anya na nlebagharị anya n'ihe ndị megasịrị n'ọnọdụ akụnụba Naịjirịa, ihe ndị nyere ihe megasịrị n'ọnọdụ akụnụba ọdịdị ọ nọ na 2021, ihe ndị a na-elegara anya ga-enwe mmetụta na mmepụta ọnọdụ akụnụba na 2022 na ọchịchọ afọ a. Nlebagharị anya n'ihe ndị megasịrị n'ọnọdụ akụnụba na Naịjirịa dị ụzọ anọ - mmepe ngalaba real, gburu gburu atụmatụ - atụmatụ ego gọọmentị (fiscal), atụmatụ ego na gburu gburu ndebe iwu nakwa mpaghara mpụga.

Ebe mgbado ụkwụ na nlebagharị anya n'ọnọdụ akụnụba Naịjirịa na 2021

- Ọnọdụ akụnụba Naịjirịa ji ọsọ nweghachite onwe y ana 2021. 'real' GDP ji pasentị 3.2 tokota ọnụ n'oke atọ mbụ nkewa anọ na 2021 iji tụnyere ọkpụkpụ pasentị 2.6 n'oge na-eso ya bụ 2020.

- Ntinyetụ anya na mmepe ngalaba dị iche iche gosiri na ọtụtụ ngalaba okpuru bụ maka arụmọrụ nwetara otito dị elu, tinyere ntụnye a na-ahụ anya n'uto real GDP e nwetara n'agbata Jenuwarị na Septemba afọ 2021.

- Mmekpa ahụ ụsụego ji nwayọọ na-abata malite n'oke abụọ nkewa anọ na 2021. O rutere n'ogo pasentị 17.0 na 2021

- Mgbochi ego gọọmentị (fiscal) ka digidere n'agbanyeghị mgbago ọnụ ahịa mmanụ karịa oke ego mmawapụta na nke mmefu ọdịnihu bekee kpọrọ budget maka 2021.

- N'ihi mbawanye ọkịka mmefu ego nye ego gọọmentị (fiscal deficit) ọsọ Naịjirịa ji ebi ego abwanyela. Dị ka ndị otu ụlọ ọrụ na-ahụ maka ụgwọ a kpọrọ Dept Management Office si kwu, ụgwọ ọha Naịjirịa ji na Septemba 2021 kwụ na ijeri naịra 38 (#38 trillion), mgbago pasentị ijeri naịra 5.1 (#5.1 trillion) n'ọnwa 9.

- E wepụ mgbago n'ojiji ụgwọ, ijigide ogo ụgwọ Naịjirịa ji ugbu a bụ ihe dị oke mkpa.

- Ngalaba na-ahụ maka atụmatụ ego jigidere atụmatụ kwụ akwụ ma bụrụkwa nke na akwado mbawanye na 2021.

- Na 2021, ọnọdụ mpụga Naịjirịa, ọ kachasị n'azụmahịa, ka gbadakwara nke ukwuu. Ọnọdụ nchịkọta ahịa kawanyere njọ n'agbanyeghị mbupu ahịa karịrị pasentị 40.

- Ka mmetụta ọrịa KOVID nwere n'ọnọdụ akụnụba nagidere, Naịjirịa gara ngwa biri ego iji belata mmekpa ahụ o nwere n'ihe onwunwe ha n amba ọzọ na ogo mgbanwe ego.

## 2.1 IHE ANYỊ NA-ELEGARA ANYA N'ỌNỌDỤ AKỤNỤBA NAỊJIRỊA NA 2022

Anyị tụtara aro ọnọdụ atọ na mpụtara a na-ahụ anya n'ọnọdụ akụnụba na 2022.


- Ọnọdụ azụmahịa ka ọ dị na mbụ (1) nọ n'elu nkwenye na ọnọdụ mgbasa aka ọnọdụ akụnụba ka dị etu ọ dị n'afọ na-esote, tinyekwara nkwenye gbara atụtụ nkwesị 2022 a kpọrọ 2022 Appropriation Act gburu gburu

- Ọnọdụ kacha mma (2) katụ nwee olileanya ma e were tụnyere ọnọdụ azụmahịa ka ọ dị na mbụ. Ọnụ ahịa mmanụ krudu dabere n'ọdịnihu ogo New York Mercantile Exchange (NYMEX) maka Jen – Okt 2022.

- Ọnọdụ kacha njọ (3) enweghị olileanya ma e were tụnyere ọnọdụ azụmahịa ka ọ dị na mbụ.

| | **Ihe a na-eche** | **Ihe nnweta** | **Mmetụta** |
|---|---|---|---|
| **Ọnọdụ 1: Ọnọdụ Azụmahịa ka ọ dị na mbụ** | Ọnụahịa mmanụ krudu nọ n'ogo US$62 kwa barel (kb): Mmepụta mmanụ krudu kwa ụbọchị nọ n'ogo barel nde 1.66 (1.66 million) (mbpd): Mmefu ego si n'isi nne ego nọ na ijeri naịra 3.5 (#3.5 trillion) | *Real* GDP ji pasentị 2.7 bawanye; Ogo ụsụego nọ na pasentị 15; Nnweta ego gọọmentị ji pasentị 20 gbagoo; Ogo mgbanwe ego nke ụdị (official) gbadara ma nọgide na #430/US$1; Ogo nhatanha mgbanwe ego na #550/US$1; Ogo enweghị ọrụ na pasentị 33; Enweghị ọrụ nzuruoke na pasentị 29 | Mmefu ego mbata n'isi otu onye ji pasentị 5 agbago; Ụgwọ gọọmentị ji pasentị 11 agbago |
| **Ọnọdụ 2: Ọnọdụ kacha mma** | Ogo ọnụ ahịa mmanụ krudu bụ US$75pb; Mmepụta mmanụ krudu nọ n'ogo 2.0mbpd; Mmefu ego si n'isi nne ego nọ na ijeri naịra 4.05 (#4.05 trillion) | *Real* GDP ji pasentị 3.2 abawanye; Ogo ụsụego nọ na pasentị 12; Nnweta ego gọọmentị ji pasentị 30 gbagoo; Ogo mgbada ego nke ụdị nọgidere na #415/US$1; Ogo nhatanha mgbanwe ego na #535/us$1; Ogo enweghị ọrụ na pasentị 40; Enweghị ọrụ nzuruoke na pasentị 22 | Mmefu ego mbata n'isi otu onye ji pasentị 9 agbago; Ụgwọ gọọmentị ji pasentị 9 agbago |
| **Ọnọdụ 3: Ọnọdụ kacha njọ** | Ogo ọnụ ahịa mmanụ krudu bụ US$50pb; Mmepụta mmanụ krudu nọ n'ogo 1.2mbpd; Mmefu ego si n'isi nne ego nọ na ijeri naịra 2.7 (#2.7 trillion) | *Real* GDP ji pasentị 1.8 abawanye; Ogo ụsụego nọ na pasentị 17; Nnweta ego gọọmentị ji pasentị 20 gbagoo; Ogo mgbada ego nke ụdị nọgidere na #450/US$1; Ogo nhatanha mgbanwe ego na #600/US$1; Ogo enweghị ọrụ na pasentị 40; Enweghị ọrụ nzuruoke na pasentị 32 | Mmefu ego mbata n'isi otu onye ji pasentị 3.5 agbago; Ụgwọ gọọmentị ji pasentị 19 agbago |

Figọ 1: Uto Real GDP dị adị na nke nlegara anya maka 2022




## 3.0 AGBA B – MAỊLỤ IKPEAZỤ: MMEGHARỊ ỌDỊDỊ NA-ELEGARA ANYA NA MGBAGO A NA-AHỤ ANYA NA MPỤTARA ỌNỌDỤ AKỤNỤBA ALA A

Mpaghara a zipụtara ihe ndị ha na isiokwu nzipụta a kwekọrịtara - Maịlụ Ikpeazụ: mmegharị ọdịdị na-elegara anya na mgbago a na-ahụ anya na mpụtara ọnọdụ akụnụba ala a. A kparịtara maka isi sekpụ ntị mmegharị atọ, ha bụ inye mpaghara mmanụ nnwereonwe site n'iwu na mmegharị ọdịdị ụgwọ gọọmentị na-akwụ maka mmanụ, Mmegharị ọdịdị mgbanwe ego mba ọzọ na mmegharị ọdịdị mpaghara obosara ga.

## A. INYE MPAGHARA MMANỤ NNWEREONWE SITE N'IWU EGO GỌỌMENTỊ NA-AKWỤ NA MMANỤ

Ndọrọndọrọ dị n'inye ụlọ ọrụ mmanụ Naịjirịa nnwereonwe kpam kpam, tinyere iwepụ ego gọọmentị na-akwụ maka mmanụ, bụ ihe na-abịa ugboro ugboro kemgbe ọchịchị oonye kwuo uche ya laghachiri na 1999. N'agbanyeghị na mmanụ na-etinye oko ya ihe dị ka pasentị 34.9 na mgbakọta nnweta ego gọọmentị Naịjirịa na pasentị 85.2 na mbupu ahịa ala a, ụlọ ọrụ a ka na-adọlị site na ntinye ha na-etinye na GDP ala a (na pasentị 8.1) n'oke mbụ nke nkewa anọ na 2021 (NBS; FMFBNP: 2021)

Na nzaghachi na mmebe ngalaba ga na-ama aka, iwu otu ụlọ ọrụ na-ahụ maka mmaụ a kpọrọ Petroleum Industry Act (PIA) 2021 e kwenyere ọhụrụ a kwere nkwa ọtụtụ mmegharị ọdịdị. Iji mee ka a hụta ihe dị mma n'uru gbara PIA gburu gburu, ọ dị zigbo mkpa ịhụ na e tinyere ihe ha mapụtara n'ọrụ nke ọma. N'atụghị uche ọ bụla, a na-ele any ana mmegharị ọdịdị ahụ e sitere na PIA mapụta ga-edubata ntụnye ego ga, kwalite ịdị uchu na mmepụta, tinyekwara ime ka mpụtara ọnọdụ akụnụba obodo nwere mmetụta n'ụlọ ọrụ mmanụ na-arụ ọrụ nke ọma zuo oke.

Tinyere mkpa ọ dị inwe nnwereonwe kpam kpam site n'iwu, atụmatụ onwunwe ike enweghị nkwekọrịta dị na ngalaba ahụ bụ mmegharị ọdịdị ego gọọmentị na-akwụ na mmanụ. Nke a bụ otu n'ime nkwekọrịta kacha taa akpụ Naijirịa nwere ike inwe na 2022. Ego gọọmentị na-akwụ na mmanụ a hụburu dị ka ngwa nnyereaka n'oge eteghị aka anọrọla na ngawanye nke mere na ọ na-amalitezị ịbụ ihe iche aka mgba nye njigide ego gọọmentị (fiscal). Na dikedi atọ (afọ iri atọ) gara aga, Naijirịa atụnyela ego gọọmentị gbara ọkpụrụkpụ n'ego gọọmentị na-akwụ na mmanụ, nke enweghị ike ijigide y ana-agbagozi agbago. Achamọkụ dị n'ego ọha (gọọmentị) sitere na nnukwu ego gọọmentị na-akwụ na mmanụ akwanyela gọọmentị ịkpa ọnụ ahịa mmanụ aka site n'oge ruo n'oge. Eleghị anya, enyechaghị nnwereonwe site n'iwu – a na-akpọ nsoro mmetụta ọnụ ahịa nwayọọ nwayọọ (price modulation system) – na-enye naanị nkurutu ume dị ka ego gọọmentị na-etinye na mmanụ na-agbago mgbe ọ bụla ọnụ ahịa mmanụ krudu rịrị na mba ofesi.

E depụtara n'okpuru ọkpụrụkpụ ihe ndị a ga-eleba anya tupu a malite itinye mmegharị ọdịdị a n'ọrụ

- Mmetụta ụsụego
- Gọọmentị imefu ego n'usoro
- Mkpa ọ dị ime ka ngalaba mmanụ na-ama aka, ebe gọọmentị ga-arụ ọrụ nlekọta (umpire)
- Ntụnye ego na mpaghara ndịda na nnọnetiti ngalaba mmanụ
- Usoro nzisa ozi dị mma

N'ikpeazụ, ederede a tụpụtara gọọmentị aro ndị a na-esote dị ka ụkpụrụ kacha mma iso makai he gbasara mmegharị ọdịdị mmanụ

- Tulee iji nwayọ kpochapụ ego gọọmentị na-etinye na mmanụ
- Tinye mgbata ọsọ enyemaka obodo dị mma na nke na-arụ ọrụ nke ọma tupu mwepụ ego gọọmentị na-etinye na mmanụ iji nweta ntụkwasa obi ndị a na-achị.
- Kpochapụ mpụ/arụghị ọrụ nke ọma dị na ngalaba mmanụ
- Kwalite mgblị maka ịkwalite nnweta ego

## B. MMEGHARỊ ỌDỊDỊ ỌNỌDỤ MGBANWE EGO MBA ỌZỌ

Ịma aka n'ihu chere ịhụ maka mgbanwe ego mba ọzọ na Naịjirịa eteela. Iji ilu 'mmadụ anaghị enye ihe ọ na-enweghị' kwuo okwu, ọ dị mkpa ịmata na mbubata ngwaahịa ala a etinyekwuola nkwanye na nchekwa ndebe mpụga na mgbanwe ego. Dị ka National Bureau of Statistics (NBS), Naịjirịa siri kwuo, ahịa mbubata mejupụtara pasentị 61 mgbakọta ahịa mbupu na 2020. Tupu ntinye ọnụ n'ihe gbasara ọdịdị forex na ọnụ ahịa forex kwesịrị ekwesị, e nwere mkpa mberede imezi mmepụta dị ala gbara ihe omume dị iche iche dị na ngalaba abụghị nke mmanụ gburu gburu, n'inwe nnukwu nchekwube ịtụnye n'ụdị a hụrụ any ana nnweta nke forex na Naịjirịa.

Nke a mere na oke ndabe n'ahịa mbubata emeela ka CBN na-ahụ maka ọchịchọ forex site n'ịmachi ụfọdụ ngwaahịa e nwekwuazịrị ike imepụta n'ala anyị, site n'ịdị na'ahụ maka forex n'ahịa nke ụdị kemgbe 2015. Mpụtara ike dị n'atụmatụ a emeela ka nkwanye ọchịchọ rịa elu n'ahịa nhatanha bụ nke butere oke oghere n'etiti ogo mgbanwe ego nke ụdị (ugbu a ogo mgbanwe ego I & E Wịndo) na ogo mgbanwe ego nhatanha (hụ Figọ 4f n'agba A).

Ịma aka n'ihu chere mbupu forex dị ala bụ nke a na-atụnyekarịrị enweghị nkesa ihe na nnweta forex, site na ndabe dị oke egwu na mmanụ krudu n'ihe e nwetara na mbupu mmanụ krudu tinyere, na oge na-etechaghị aka a, obibi ego mba ọzọ. Ịma aka n'ihu ọzọ chere ịhụ maka forex na Naịjirịa aka mgba bụ mgbata ọsọ enyemaka ndị CBN n'ahịa forex kwa mgbe, bụ nke na-enye ndebe ebe ọzọ nkwanye dị ukwuu. Ka echemihu akwụghị otu ebe ndebe ebe ọzọ na-aga n'ihu, ụlọ akụ Apex (Apex Bank) bịara dabere n'iweda mgbanwe ego (ụzọ ihe atọ ka a hụrụ any ana 2020) na ntule forex n'etiti ndị ikpeazụ ji ya arụ ọrụ. Ihe ịma aka n'ihu ndị a zigara ozi abụghị eziokwu nye ndị na-atụ anya ntụnye ego bụ ndị nke ihe ka akpa ha bụ nchekwa ntụnye ha (ọ kachasị mgbada forex n'ọmịmị mkpụrụ ntụnye ha ga, tinyere ihe nnweta.

**Nkwalite 1: Mkpa ọ dị ịmụba ọdịdị mgbanwe ego mba ọzọ**

- Inye ogbe na-ahụ maka ịzị ahịa n'efu n'Arịka a kpọrọ African Continental Free Trade Area (AfCFTA) ike mwufu na ịgba mbọ hụ na e nwere ezi mgbazi oke
- Iwepụta mgbazi nne ego ma kwadoo nnubata nyụnye ga-akwụgide
- Ime ka ngalaba forex esighị na mmanụ bute ụzọ
- Ịkwalite ọdịdị mma nnọchianya ahịa mbubata
- Ndozi ebe mmepụta mmanụ dị n'ala a na ịrụ ndị ọhụụ

**Nkwalite 2: Mkpa ọ dị ịhụ na mgbanwe ego mba ọzọ nwere ọnụ ahịa kwesịrị ekwesị**

- Atụmatụ forex doro anya ime ka obi ruo ndị ntụnye ego ala
- Mkpa ọ dị ikwu ọnụ ahịa Naịra dị mma
- Ahịa mgbanwe ego mba ọzọ miri emi ma bụrụ nke nwekwuazịrị ike ịgbanwe ego
- Atụmatụ nnyapado na-achị mgbata ọzọ enyemaka ndị ụlọ akụ etiti (Central Bank) n'ahịa mgbanwe ego mba ọzọ
- Ọnụọgụgụ ọzọ kwesịrị ekwesị ga-anọchite anya usoro ogo mgbanwe ego dị adị na
- Usoro na-arụ ọrụ maka ntinyegharị any ana nlekọta itinye ka ngalaba gọọmentị ka nke onwe na nsogbu ogo mgbanwe ego

## CH. MMEGHARỊ ỌDỊDỊ MPAGHARA

N'agbanyeghị uto n'ogo pasentị 3.2 n'oke mbụ nke nkewa anọ na 2021, ogo oke ụsụego ka na-ata ọnọdụ akụnụba Naịjirịa, mbawanye ogo enweghị ọrụ na enweghị ọrụ nzuruoke tinyere ịda ogbenye. Ihe ịma aka n'ihu ndị a adịgidela n'afọ ndị a ga n'ihi uto edoghị anya, tinyere uto dabere na ngalaba ole na ole na-enweghị ike ikepụta ọrụ nwere uru dị mma. Ndozi ihe chere ọnọdụ akụnụba obodo tinyere nkepụta ọrụ dị ntakịrị, enweghị ọrụ, akwụdoghị mgbanwe ego mba ọzọ, ọdịda ahịa mpụga na ndọghachi nnweta ego gọọmentị, na e nweghị nchekwa dabere n'ikike ngalaba dị iche iche n'ọnọdụ akụnụba ịbawanye ma tunye n'be dị mmag aa ebe niile. Ogo uto ngalaba dị oke mkpa agbadaala ma a tụnyere ya oge uto siri ike ọnọdụ akụnụba na 201tụnyere ya oge uto siri ike ọnọdụ akụnụba na 2014 tupu 2016. Ngado aka n'arịrịọ gọọmentị isi n'ogbenye kwalite mmadụ dị nde 35 (35 million) site n'ikepụta ọrụ nzuruoke nde 21 (21 million) na 2025, ọ dị mkpa ịhụ na e nwere mmepụta gbagotere na ngalaba úkwú ọnọdụ akụnụba niile.

N'agbanyeghị na ọ dị mkpa na Naịjirịa ịgbagote ma bawanye mmepụta na ngalaba ọnọdụ akụnụba niile, gọọmentị kwesịrị idowe ngalaba ọ bụla dị ka mmetụta ha n'uto ọnọdụ akụnụba si dị, ngalaba ọnọdụ akụnụba ndị ọzọ, enwemọrụ na mbawanye nke otu. Ya mere anyị wepụtara mmeghari ọdịdị na ngalaba 5 dị oke mkpa gọọmentị nwere ike itinye n'ọrụ ma ọ bụ kwalite na ntakịrị oge iji gosipụta nkwalite a na-ahụ any ana mpụtara ọnọdụ akụnụba Naịjirịa. Ngalaba ndị a gụnyere: Ọrụ ugbo, Mmepụta, Ahụike, Agụmakwụkwọ na Azụmahịa. Anyị kwenyere na ntinye mmegharị ọdịdị a n'ọrụ ga-akwalite mmepụta a na-ahụ anya nke ngalaba ndị a ma kwalite ntowanye mbanye n'ọnọdụ akụnụba.

## About The NESG

The NESG is an independent, non-partisan, non-sectarian organization, committed to fostering open and continuous dialogue on Nigeria's economic development. The NESG strives to forge a mutual understanding between leaders of thought so as to explore, discover and support initiatives directed at improving Nigeria's economic policies, institutions and management.
Our views and positions on issues are disseminated through electronic and print media, seminars, public lectures, policy dialogues, workshops, specific high level interactive public-private sessions and special presentations to the executive and legislative arms of government.

**Copyright © 2022**
**by the Nigerian Economic Summit Group**

All rights reserved. No part of this publication may be reproduced, stored in a retrieval system or transmitted, in any form or by any means, electronic, mechanical, photocopying, or otherwise without the prior permission of the Nigerian Economic Summit Group.

For additional information with respect to this Report, please contact the following:

NESG Research & Development
research@nesgroup.org

**NESG DIRECTORS**

| | |
|---|---|
| Mr. Asue Ighodalo | Chairman |
| Mr Niyi Yusuf | Vice-Chairman |
| Mr Osagie Okunbor | Vice-Chairman |
| Mr 'Laoye Jaiyeola | CEO |
| Mr Yinka Sanni | Member |
| Mrs Wonuola Adetayo | Member |
| Mr Kunle Elebute | Member |
| Mr Foluso Philips | Member |
| Mr Udeme Ufot | Member |
| Mr Olusegun Ogunsanya | Member |
| Mrs Juliet Ehimuan | Member |
| Mr Frank Aigbogun | Member |
| Dr Philip Mshelbila | Member |
| Mr Wassim Elhusseini | Member |
| Mr Kyari Bukar | Member |
| Mrs Amina Maina | Member |
| Mr Nnanna Ude | Member |
| Mr Karl Toriola | Member |
| Mr Oluboyede Olusanya | Member |
| Mrs Ndidi Nwuneli | Member |
| Mr Mike Sangster | Member |
| Mr Lanre Akinbo | Member |
| Mr Demola Sogunle | Alternate |

**Contributors**

- Dr. Olusegun Omisakin
- Wilson Erumebor
- Yinka Iyinolakan
- Faith Iyoha
- Shakirudeen Taiwo
- Sodik Olofin
- Dr. Oluwaseyi Vincent
- Wasiu Adekunle
- Henry Egbe

NESG

**THE SUMMIT HOUSE**
6, Oba Elegushi Street,
Off Oba Adeyinka Oyekan Avenue,
Ikoyi, Lagos.
P.M.B 71347, Victoria Island, Lagos

**ABUJA LIAISON OFFICE**
4th Floor, Unity Bank Tower,
Beside Reinsurance building
Plot 785, Herbert Macaulay Way,
Central Business District, Abuja

www.nesgroup.org
info@nesgroup.org
+234-01-295 2849

officialNESG